*Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.8 No.3 September, 2025; p.g. 85 – 94; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)*

# NNYOCHA ỌDỊBENDỊ ỊGBA ỌKỊKA EZEMEWI EZEDUGA NA NNEWI DỊ NA NNEWI NORTH, N'ANAMBRA STATE NKE SI N'AKA

**UGWUOKE, PRISCILLA EBERE (Ph. D)**
**NGALABA LINGWISTIKS, IGBO NA ASỤSỤ NAỊJIRỊA NDỊ ỌZỌ NA MAHADUM, DỊ NA NSỤKA**
**Email: ebere.ugwuoke@unn.edu.ng**
**Phone No: 08037786613**
**NA**
**EZE, AUGUSTINA NGOZI (Ph. D)**
**NGALABA LINGWISTIKS, IGBO NA ASỤSỤ NAIJIRỊA NDỊ ỌZỌ NA MAHADUM, DỊ NA NSỤKA**
**Email: augustina.ngozi@unn.edu.ng**
**Phone No: 08062431825**
**NA**
**IDOKO, ADAM FADILA NWADIMKPA**
**NGALABA LINGWISTIKS, IGBO NA ASỤSỤ NAIJIRỊA NDỊ ỌZỌ NA MAHADUM,** DỊ NA **NSỤKA**
**Email: fadila.idoko@unn.edu.ng**
**Phone No: 08036916221**

## ỤMỊ

*Nchọcha a, e lebara anya n'ihe bụ Ịgba Ọkịka Ezemewi Ezeduga. Emume Ịgba Ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ emume a na-eme na mbido afọ,ọ bụ n'ọnwa nke abụọ n'ime afọ obụla ka e ji eme emume a. Ọ bụ emume e ji asọpụrụ Chi Ezemewi Ezeduga nke Nnewi.Ịgba ọkịka bụ otu n'ime emume mbụ nke ọdịnaala nakwa nke Ọdịbandị ndị Nnewi nke ha na-eme iji wee kelee ma kpere Ezemewi maka ntuzi aka n'arọ obụla. Ezemewi Ezeduga bụ Chi ndị Nnewi nke ha kwenyere na ọ bịara n'ụdị mmadụ. Mbunuuche nchọcha a bụ ịmata ihe gbasara emume a bụ Ịgba Ọkịka Ezemewi Ezeduga, usoro etu esi eme ya bụ emume, mgbe e ji eme ya, na uru Ọ bara ndị na eme ya. A kọwakwara okwu ụfọdụ gbara ọkpụrụkpụ gbasara emume a dịka; Omenaala, Ewumewu, Ọdịnaala, Ọdịbendị, Okpukperechi na Ịgba ọkịka. Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ atụtụ ndinaọrụ. Ndị nchọcha gara n' ọhịa nchọcha, gbaa ajụjụ ọnụna Ezemewi Ezeduga. Otụtụ ndị a gbara ajụjụ bụ ndị Okenye ndị dị bido n' afo ịrị anọ rue na ịrị asaa.Ndị bụ ndị mara ihe ekwena-akụ gbasara emume a ma bụrụkwa ndị nwere mmasi maka ịza aziza nke ndị nchọcha chọrọ n' aka ha. Ha weputara onwe ma kwado ndị nchọcha mgbe ndị nchọcha kọwara n'ebu n'obi ya bụmaka Usoro agụmakwụkwọ na nkwalite omenaala ndị. Ndị nchọcha chọpụtara ka emume a siri bido, ihe mere ndị Nnewi jiri wee na-eme ya bụ emume naakwa ihe mere ha jiri were Ezemewi Ezeduga dịka Chi ha. Nchọcha a gọsikwara ihe ndị ụfọdu a na-eme ụbọchị ya bụ emume. Ịgba Ọkịka Ezemewi Ezeduga. Nchọcha a gosiri na emume a bụ ọdịnaala ma na egosịkwa okpukperechi. N'ikpeazụ ndị nchọcha a chọpụtara na emume a adịghịzị ka ọdị mgbe gbo maka ihe ọlọrọọhụrụ. Mana a kana eme ya bụ*

*emume ịgba ọkịka nke ọma na akwanyere Ezemewi Ezeduga ugwu maka ihe niile omere ndị Nnewi ka a dị n'ala ana ahụ ha anya.*

**Mkpọlite Ntọala nchọcha**

Ọtụtụ emume ndị Igbo na-eme taa bụ ihe sitere n'aka fere aka rue ndị na-eme ya aka. N'ihi otu ihe maọbụ nke ọzọ,ụfọdụ emume ndị a adịghịzi ire dịka na mbụ, ebeụfọdụ ka na-ekusi ume ike ma ka dịkwa ire na mpaghara ala Igbo dị iche iche. Nke a gosiri n' omenaala nae to eto mana anwụ anwụ.

Omenaala, dịka Onukwube (2013) siri kọwaa bụ etu ndị si ebi ndụ nke bụ nkwenye ha, n'ụdị ekwumekwu ọnụ, na ihe dị iche iche gbasara ndị. Ọbụ ihe eji mara ndị. Nke a gosiri na ụfọdụ ihe ndị Igbo na-eme taa e ji were mara ha ebidoghi n'abalị foro taa, kama ọnọọla ọnọdụ n' obodo ma bụrụ mmahụ ndị ahụ. N'ala Igbo, enwere emume ndị na adịghị n'obodo niile. Nke a pụtara na mba niile nwere ihe e ji mara ha. Ọ bụ njirimara otu obodo ka a na-akpo obodo ahụ.

Emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ emume ochie n'obodo Nnewi Ọghọla Ọdịbendị. Nke a mere na ọbụ emume ndị okenye maara anya ya nke ọma, bụrụ kwa emume ha jiri were too ma na-emekwa nke ọma. Ọbụ emume okpụ nke na egozi ndị okenye ala n'ihi na ọbụ ndị okenye kara mara maka ya. Ọtụtụ ndị ntorobịa Nnewi enweghị mmasị n'emume a bụ njirimara Nnewi. Ha kara nwee mmasị na-ịchụ ego na ịpụ obodo oyibo, ebe ụfọdụ na-ahụta ya bụ emume dịka ihe dịrị ndị okenye.

Nke a mere ndị nchọchọ ji mee nchọcha ha gbasara Emume a na Nnewi ka ya bụ emume ghara inwụ makana Emume Ezemewi Ezedugo bụ njirimara Nnewi. Emume bụ maka mmadụ niile bụ onye Nnewi.

**Mbunuche nchọcha**

Nchọcha a na-enyocha emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga na Nnewi. Mbanuche kpọm kwem bụ:

- ịkọwa ihe emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ nyere ndị Nnewi.
- igosipụta etu ndị Nnewi si eme ya bụ emume.
- ikwọwapụta ọrụ Ezemewi Ezeduga n'ala Nnewi

**Oke nchọcha**

Nchọcha a ga-agbakwasị ụkwụ naanị na emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga na Nnewi.

**Uru nchọcha**

Na-agbanyeghi na enwego ọtụtụ ihe esere ese na ihe edegoro na ikuku banyere emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga, enwebeghi akwụkwọ nke onye nchọch ahu goroederen'ijinyochaa ihe gbasara emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga na Nnewi. Ya mere nyocha a ga-arụ ọrụ dịka ihe nkuzi nyere mmadụ ọbụla nwere mmasị ighọta ihe gbasara Ọdịbendị. Ọga-enyekwa aka mgbasa ozi maka emume a ma mekwaa ka ọtụtụ ndị na-anụtụbeghi maka emụ me a gụrụ nchọcha a mara maka emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga nka ga eme ka ya bụ emume hara ịnwụ anwụ. Ọ ga-enye aka maka nkwalite omenaala.

**Nhịahụ nchọcha**

Emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga abụghịkwa emume ana-emekwa mgbe Ọbụ out mgbe kwaarọ ọbụla, nke a mere na nchọcha a were otụtụ oge n'afọ tupu nchọputa na nchikọta abia dịrị out n' akwụkwọ nchọcha a.

**NtụleghariAgụmagụ**

Na ntụlegharị agụmagụ a, e lebara anya n'okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ n'ọrụ nchọcha a ma gaa n'ihu ịkọwaha. Ihe ọzọ bụ na elebakwara anya n'atụtụ nke bụ Ọkacha mma maka ntụcha oru a. Ọrụ ndị emegoro metụtara ọrụ nke a n'out ụzọ maọbụ ụzọ ọzọ, ka ndị nchọcha lebara anya.

**Nkọwaọkpụrụkpụokwuụfọdụ**

N'ebe a, e lebara anya n'isiokwu ndị dị mkpa n'ọrụ a, ya bụ isiokwu ahụ nchọcha gbadoro ụkwụ na ha. Isiokwu e lebara anya na nghọta ya bụ: omenaala, ọdịbendị, ọdịnaala, okpukperechi na Ịgba Ọkịka.

**Omenaala**

Anozie (2003) kwuru na omenaala bụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ebi ndụ na etu ha si eme emume. Na nkọwa Anozie (2003), ihe ọ pụtara bụ na omenaala ndị bụ ihe eji mara agbụrụ ọbụla nke na-apụta ihe n'ebim ndụ ha niile. A na-ezipụta omenaala site n'iyi ákwà, ihendịahụ ndị na-eri, ụzọ ha si eme emume dị iche iche, ya na ka ha si ekele ekele. Ocho (1998) kọwara nauru mmadụ ọbụla nwere ike ịbabụ nke gbadoro ụkwụ n'ụdị ọzụzụ e nyere ya nakwa etu onye ahụ siri mụtadebe usoro obibi ndụ, nkwenye na omenaala ha, nke na-ezipụtakwa agwa, agbụrụ ahụ nabatara maka ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ ihe nke ga-eme ka onye ahụ baa uru n'ezinaụlọ na n'obodo.

**Ọdịbendị**

Ọdịbendị bụ emume, ekwumekwu nakwa ewumewu ndị ahụ eji mara otu obodo nke enweghị obodo ọzọ ejiya mara (Ugwuoke, 2023).Ọdịbendị dịka Anọzie (2003) siri kọwaa ya bụ ihe ejiri mara ndị obodo na-adịghị n'obodo ndị ọzọ. Okoro (2021) kọwara n'ọdịbendị dịrị ha pụtara na ihe obodo nwere maọbụ na-akwanyere nnukwu bụrụ nke ha onya isi mabụrụ ihe ha kpọrọ ihe. Nke a putara n' Ọdịbendị abụghị omenaala izugbe. Ọdịbendị Igbo niile abụghị otu. Na nchịkọta, ọdịbendị pụtara ihe dị ọkpụ e ji mara obodo kpọmkwem nke e nweghị ndị ọzọ e ji ihe ahụ mara. O bụ ihe ndi na eme mọbụ ihe obodo egosiputara n' ụzọ pụrụ iche karia ndị ọzọ.

**Ọdịnaala**

Okoro (2021) kọwara na ọdịnaala bụ ihe ahụ dịwara gboo tupu mmadụ abịa ụwa. Nke a ga Ugwuoke (2023) kwadoro site na ikọwa ọdinaala na ọ bụ ihe di n' ala enweghi onye mara mgbe obidoro.Ọdịnaala, a pụtara na ọdị tupu mmadụ a bịakwasịya. Ọdịnaala bụ Ọtote,O tokwuru.

**Okpukperechi**

Ifeka (2019) kọwara na ndị Igbo kwenyesiri ike na Chukwu maọbụ Chineke dịka ha si akpọ ya. Mana ntọala okwukwe ha bụ na Chukwu dịukwu nkena tupu mmadụ eruo ya nsona ọ

ga-ezi ụmụ arụsị ndị bụ ndị ha na-ahụ anya ebe ha anaghị ahụ Chukwu. Okpukperechi bụ ụzọ ndị Igbo si akwanyere mmụọ, nakwa osisi dị iche iche ugwu iji nweta ihe oma nakwa nchekwa n'aka ya.

**Ịgba Ọkịka**

Okechukwu (2024) onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na Ịgba Ọkịka Ezemewi bụ otu n'ime emume mbụ nke ọdịnaala nakwa nke okpukperechi n'ịgụ afọ ndị Nnewi nke ha na-eme iji wee kelee makpere Ezemewi makantuzi akan'arọ obụla. Ogbuefi Ezemewi Ezedugabụ chi ndị Nnewi nke ha kwenyere na ọ bịara n'ụdị mmadu, ya na ndị na-eso ụzọ ya.

**NCHỌCHA NDỊ EMEERELA N'ISIOKWU**

Ifeka (2020) mere nchọcha igba ndụ n'obodo ụfọdụ n'ala Igbo: Nzipụta agbam ndụ n'agụmagụ Igbo ndị a họọrọ.A chọpụtara na otụtụ nsogbu ezinaụlọ ndị Igbo na-agabiga n'oge a mere naha anaghị atụkwasị obi n'ebe ibe hanọ. Hana-ahụta onye ọbụla nọ ha nso dịka onye aga- ezendụ.fọdụ ndị isi ụka ọgbara ọhụrụ na-akọ nyendị mmadụ ụjọ n'ahụ gbasara ibe ha. Nke a kpalitere mmụọ nchọcha isiokwu a bụ —Igba Ndụ n'Ala Ig o". Site n'ịgba ndụ ka a ga-esi kpọghachi mmụọ ndị na-eche na ibe ha chọrọ igbu ha maọbụ nye ha nsị. E lebara anya n'obodo atọ dị n'Steeti Anambara: Alọ (Idemmili Saụtụ), Uli (Ihiala) na Ọkụzụ (Oyi), iji zipụta ihe bụ ịgba ndụ n'obodo ndị ahọ ọrọ n'out n'otu. Agbaara ọha na eze n'anwụ etu obodo ndịa si eme nke ha, usoro na oge ha ji eme ya. E ji usoro nkọwasị wee mee nchọcha a wee zipụta n'uju ihe a tụrụ anya n'ịgba ndụ n'ala Igbo ọ kachasị n'obodo ndị e ji mere ebe mgbakwasa ụkwụ. Nchọcha abụọndị a nwere myiri dị naha; nke mbụ bụ na ha abụọbụ omenaala Igbo, nke abụọ bụ na ebe nchọcha ha abụọ gbadoro ụkwụ na steeti Anambra. Mana ebe e nwere ndị iche bụ na Nchọcha Ofeka (2020) gbadoro ụkwụ na omenala kpọm kwem ebe nchọcha nke a bụ ọdịbendị.

Ajogwu (2022) mere nchọcha nke lebara anya n'omenaala Igbo site n'inyocha ọdịdị nka na uru ịgọ ọjị dịka omenaala Igbo. Mbunuche ọchọcha bụ ịchọpụta ihe kpatara e ji agọ ọjị dịka omenaala Igbo, usoro dị iche iche ana-agba so mgbeana-agọọjị, nka asụsụ dị iche iche ana-ewebata n'ịgọọ jị nakwa uru ịgọọjịna-abara ndị Igbo. Atụtụ nchọcha agba kwasara ụkwụ bụ atụtụ ndịnọrụ. Ọchọcha chọpụtara na e nwere ihe dị iche iche kpatara e ji agọ ọjị n'ala Igbo dịka ịrịọta ihe ọma, igosipụta obi ụtọ na ịhụnanya nakwa ndị ọzọ. Ịgọ ọjị nwekwara usoro a na-agbaso. Myiri dị na nchọcha a na nke Ajogwu (2022) bụ na ha abụọ na-akọwa maka omenaala Igbo mana ndị iche dị na haa bụ ọbụna Ajogwu (2022) lebara anya n'omenaala Igbo dịka o si metụta ọdịdị nka na uru ịgọ ọjị ebe nchọcha nke a na-eleba anya n'igbu ọkụka Ezemewi Ezeduga Nnewi North.

Okoro (2022) mere nchọcha na Reappraising the Nsukka Ọmabe festival through the lens of ethno-aesthetics, therapy and healing. Ọchọcha kọwara na n'okpukperechi ndị Igbo, enwere ọtụtụ ụzọ mmadụ si enwe aṅụrị nakwa abata ọgwụgwọ nsọ. Otu ụzọ bụ site na mmemme Ọmabe Igbo-Nsụka. N'ịkọwa ihe gbasara mmemme a nke anaghị eti nye uche ime nchọcha na ya, nchọcha banyere n'ịchọpụta ihe niile gbasara nkwa maka nlọta, nlọta, emume mgbe ọ lọtara, emume mgbe ọna-alagha chi azụnakwa mgbe ọlabara n'ala mmụọ ebe Ọmabesipụta. Usoro nchọcha agba soro bụ nke sọvee nkọwa.Usoro nnweta data bụ ajụjụ ọnụ bụ nke agbara

ndị obodo Nsụka ndị nwere ọtụtụ ihe ha maara maka Ọmabe Nsụka. Nchọcha abụọ ndị nwere myiri dị n'etiti ha abụọ. Nchọcha Okoro (2022) na nchọcha nke a gbadoro ụkwụ n'ọdịbendị obodo dịka o si metụta omenaala Igbo. Ha nwekwara ndịiche n'ihi na Okeke jiri asụsụ Bekee mee nchọcha ma gbadoụkwụ n'obodo Nsụka ebe nchọcha a jiri asụsụ Igbo ma gbado ụkwụ na Nnewi North.

Ezesinachi, Ihedigbo na Okey-Agbo (2023) mere nchọcha n'isiokwu bụ Ọnọdụ egwu n'izupụta nka mma n'etim mmọnwụ Oji Ọnụ n'Okpuje Asadụ. Nchọcha alebara anya n'ọnọdụ egwu dị ka otu n'ime ụzọ pụrụ iche e si ezipụta nkamma dị n'etim mmọnwụ oji ọnụ Okpuje Asadu. Ebum nuche nchọcha a bụ ka esi naya wee gosi ụmụ afọ Igbo ọrụ egwuna-arụ na ndụ mmadụ. Mmọnwụ ojiọnụ nwere egwu dị iche iche e si na ha ezipụta nkamma, ma were ha na egosi na ọnọdụ ya dị elu na ndụ ndị Igbo. Atụchara ụsadị iche iche esi n'ụzọ ndị a nweta, nke e si na ha chọpụta na egwu nwere ọnọdụ pụrụ iche n'etim mmọnwụ ojiọnụ ma bụrụ omenala e si na ya ezipụta ọnọdụ ndị mmadụ, ọdịnaala ha, nkwenye ha na nsirihụ ndụ ha. Myiri ha bu maka Ọdịbendị. Ndiiche bụ na isiokwu nchọcha na usoro ajime nchọcha.

## ATỤTỤ NCHỌCHA GBASORO

Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) rụtụrụ aka na ndị tọrọ ntọala atụtụ a bụ Rosolette na Malinowski n'afọ 1920. Ha kwenyere na dịka mmadụ si nwee akụkụ ahụ dị iche iche dị mkpa maji kọọ ọnụn iji mee ka ahụ mmadụ rụọ ọrụ okwesịrị ịrụ nkeọma, otu ahụ kwa ka otu ọbụla si nwee akụkụ dị iche iche ji kọrọ ọnụ makwụrụ onwe ya ịrụ ọrụ okwesịrị ịrụ nkeọma. Atụtụ a kwenyere na ihe ọbụla enweghị uru ma ọbụ ọrụ ọna-arụ anaghị adigide.Atụtụ akwenyere na agụmagụ na-arụ ezigbo ọrụ na-eweta mgbanwe n'obodo. Ndị tụpụtara atụtụ a kwenyere na omenaala ọbụla enweghị uru ọ bara n'obodo anaghị adigide. N'atụtụ ndịnọrụ, a na-eleba anya etu ezinaụlọ, agụmakwụkwọ, akụ na ụba na okpukperechi si enye aka emeka obodo na- aga n'ihu. Ndị out akwenye sịrị ike n'ịtụle etu out akụkụ omenaala si yie ndịọzọnakwaetuo si emetụta otu ndị ọzọ niile. Mmadụ nwereihe dị oke mkpa na-akpa yan'obi bụ nke kwesịrị ka emejupụtaya iji mee ka ọdịwa nyendụ (Fletcher,1965). Atụtụ ndị norụ na-eleba anya n'etu e si ejikọ aka ọnụ were na-egbo mkpa nke na-akpa onye.

## USORO NCHỌCHA

N' isi nke a, ndị nchọcha kowapụtara usoro dị iche iche e webatara n'ọrụ nchọcha a. Ha gụnyere: ụdị nchọcha, ebe nchọcha, njirimee nchọcha, nsere na usoro nsere, ngwa nchọcha, usoro nnweta data na usoro nhazi data.

### Ụdị nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2015) kọwara sọvee dịka ihe ọmụmụ na-amụ etu e si achịkọta data ma kọwaa n'ụzọ doro anya ihe gbasara mmadụ ole na ole maọbụ ọnụọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha.

### Ebe nchọcha

Dịka o si metụta mpaghara ebe, Nnewi North bụ okpuru ọchịchị dị na steeti Anambra nke dị n'ọwụwa anyanwụ nke Naijiria. Ọ bụ isi obodo bụ Nnewi nke nwere obodo anọ n'ime ya.

Obodo anọ ndị a gụnyere Otolo, Uruagụ, Ụmụdim na Nnewichi. Na mpaghara amụmamụ, nchọcha a gbadoro ụkwụ na ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga dịka ewumewu omenaala Igbo. Ọ bụ n'ebe a ka nchọcha a hibere isi.

**Njirimee nchọcha**

Ọnụ ọgụgụ ndị a ga-eji mee nchọcha bụ ndị okenyi ụfọdụ, ndị nwoke na ndị nwaanyị bụ ndị na-eme emume igbu ọkịka Ezemewi Ezeduga tinyere ndị Nze na ọzọ n'okpuru ọchịchị Nnewi North nke steeti Anambra. Ọ bụ site n'aka ndị a ka nchọcha a si nweta ezigbo ọsịsa ga-enye aka na nchọcha a. Ha dị iri n' ọnụ ọgụ.

**Nsere na usoro nsere**

Ụdị nsere nchọcha agba soro bụ nsere mbunuche. Ụdị nsere a bụ nke Creswell (2020) kọwara dịka nke a na-ahụta ka nsere dabere na njiri mara njiri mee nchọcha bụ nke ya na mbunuche nchọcha ga-agakọ ọnụ. N'usoro nsere, nchọcha a weere ụfọdụ n'ime ọnụọgụ nọchite anya ọnụọgụ njirimee nchọcha. Ọnụọgụ ndị a họpụtara na-anọchi ọnụọgụ njirimee nchọcha iji belata ihe nhịahụ nwere ike ịpụta ma a chọọ inwetacha ọnụọgụ njirimee nchọcha niile.

**Usoro nnweta**

Ọsịsa e nwetara n'aka ndị a gbara ajụjụ ka ejiri rụọ ọrụ. E nwetara ọsịsa nchọcha a site n'aka mmadụ iri na abụọ e jiri mee nchọcha. E jikwa usoro nlere anya nweta data n'ihi na onye nchọcha bụ onye Nnewi North kpọm kwem. A gara n'ụlọ ndị njirimee nchọcha ma webatakwa enyemaka ndị enyemaka nchọcha. A gakwara n'ọba akwụkwọ Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka na kwa ọba akwụkwọ Nnamdi Azikiwe nke Mahadum Naijiria, Nsụka.

**Usoro nhazi data**

A haziri data site n'ikepụta ha n'usoro n'usoro. Elebara anya na data ndị enwetara ma hazie ha n'usoro n'usoro dịka o metụtara usoro nchọcha. A haziri data ndị a natara site n'ịhazi ha n'usoro n'usoro dịka azịza ọbụla siri metụta ajụjụ ndị e jiri mee nchọcha site n'iji usoro nkọwa sọvee.

**NTỤCHA DATA Mbunuche nke mbu Ịkọwapụta ihe emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ nyere ndị Nnewi**

N'ajụjụ ọnụ a gbara Okafor (2024), ọ kọwara n'emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ emume a na-eme kwa afọ. Ọ bụ emume e ji echeta ike niile Ezemewi Ezeduga kpara. Ịgba ọkịka Ezemewi Ezedugabụ otu n'ime ihe ndịa kachaatụ anya ya n'obodo Nnewi.Emumea bụkwa nke a na-eme kwa afọ, n'oge mmalite afọ, ọ bụ n'ọnwa nke abụọ n'afọ ka e ji eme ya, iji kwanyere ugwu na ncheta Ezemewi Ezeduga, chi ndị Nnewi. Ọ bụ oge nke ikpughe ekele maka ihe ọma chi ahụ na-eme, yana oge iji gbakọta ụmụ amaala niile nke Nnewi, n'agbanyeghị ebe ha nọ. Igba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ emume nke a na-eme kwa afọ na Nnewi, nke na-eje ozi dịka ncheta nke Ezeduga na ịkwanyere nna nna ha ugwu. Emume a, ka a na-eme n'okwu Ezemewi, nke dị na ahịa Orie-Agbor na Nnewichi, Nnewi, Anambra steeti. N'oge emume a,ndị Nnewi na-eme emume dị iche iche,nke gụnyere ịgba egwu, ịkpọ egwu, na ịkpọkọ ndị isi obodo, iji cheta akụkọ ihe mere eme nke obodo ha na ịkwanyere nna nna ha ugwu.

Emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga nke ndị obodo Nnewi bụ emume ọdịnaala na okpukperechi, n'ihi na ọ bụ emume eji asọpụrụ chi Ezemewi Ezeduga nke Nnewi. Onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ịgba ọkịka Ezemewi bụ otu n'ime emume mbụ nke ọdịnaala nakwa nke okpukperechi n'ịgụafọ ndị Nnewi nke ha na-eme iji wee kelee ma kpere Ezemewi maka ntuzi aka n'arọ niile ahụ. Ogbuefi Ezemewi Ezeduga bụ chi ndị Nnewi nke ha kwenyere na ọ bịara n'ụdị mmadu, ya na ndị na-eso ụzọ ya. Mbgendị Ekwelu dike onwu (ndị bụ ndị Abubor taa) nyechara ha nri, Ezemewi nara ebe ha ga-ezuike nke enyere ha.Mgbeemesịrị,Ezemewi sirin'etiti ha pụọ ka ikuku. Ọbụ nkea kpatara ofufenkeEzemewi.Akụkọ kọrọ na Ezemewi lụrụ Edo Nnewi nke Ọmaliko Abatete. Ọ bụkwa naanị Ezemewi bụ chi nke na-eme ọkịka. Mbgegboo, tupu mmadụ emee njem maọbụ enye nway anwanyị nadi, ha ga ebu ụzọ were ọjị jee okwu Ezemewi ịjụta ya ese.

**Mbunuche nke abuo Usoro a na-agbaso n'emume Ịgba Ọkịka Ezemewi Ezeduga**

N'ụbọchị emume ịgba ọkịka Ezemewe Ezeduga, mmadụ niile na-agbakọta n'ụlọ obi ahụ ebe emume ahụ ga-adị. Ụlọ obi ahụ bụ ebe e ji ahazi ihe niile gbasara omenala na ihe ndị metụtara ọdịbendị Nnewi. Bido n'isi ụtụtụ, ọrụ dị iche iche na-agbasa n'etiti ndị agbata obi. Ụmụ nwokena-agbazinye aka ike n'ịzụ ahịa mmanya, ịchọta ihe ọbụla dị mkpa maka emume ahụ. Ndị ọrụ a na-ahụkarị n'etiti ndị nwoke bụ ndị nna, ndị bụkwa ndị isi obodo, ma ọ bụ ndị nwere ọkwa dị elu na obodo ahụ. N'aka nke ọzọ, ụmụ nwanyị na-ejikọta aka n'ọrụ isi nri. Ha na-akwadebe nri dị iche iche nke e ji mara ndị Igbo nakwa ndị Nnewi kpọmkwem, dịka ji, abacha, ede, nakwa ofe dị iche iche e ji eri ụtara nke bụ ihe eji a ma ndị Igbo. Nke a bụ ihe na- egosipụta ọdịbendị obodo ha, na nke mere ka ọ bụrụ ihe dị egwu ma dịrị ịtụ n'anya. Ndị ịnyọm na ụmụ agbọghọ ha, tinyere ụmụ okorobịa, na-arụ ọrụ dị iche iche dị ka ịsụcha ahịhịa, ịkwado obi ebe a ga-anọ mee emume nakwa mbara ezi, ma ọ bụ ịhazi ogige ebe e si anabata ndị ọbịa.

N'oge mmalite emume ahụ, a na-ahụ ụmụ nwaanyị na-agba egwu. Ụmụ agbọghọ na ụmụ nwanyị niile nke obodo ahụ na-abịa n'ejiji maọbụ ekike mara mma eji mara ndị Igbo were na- ama mbem na-akpọku mmụọ Ezemewi Ezeduga. A na-etinye aka n'egwú, abụ, na ihe ngosi ọdịbendị nke na-akọ akụkọ ihe mere eme gbasara Ezemewi Ezeduga. A na-agụ egwu na-akọ banyere uru ndị nna nna ukwu a bara obodo ahụ, tinyere ekele maka ndụ ha na onyinye ha nyere Nnewi n'oge gboo nakwa oge ugbua. N'ehihie, emume ahụ na-amalite nke ọma. Ana-ekesa nri, mmanya, na anụ n'usoro nke na-egosi ịhụnanya na ịdị n'otu. Onyebụla bịara n'ebe emume ahụ na-agbalịsi ike iji nwee obi ụtọ. Ebe ahụ bụkwa ebe a na-emepụta njikọ pụrụ iche n'etiti ndị obodo, nke na-eme ka ha na-ekekọrịta ịhụnanya na nlekọta n'etiti ibe ha. Onye ọbụla na-eri ihe gụrụ ya ma ṅụọ mmanya ọ chọrọ ma jiri ọṅụ na ọchị laa na be ha n'ihi na ụbọchị ahụ bụ ụbọchị aṅụrị na ụbọchị dị egwu n'ala Nnewi. N'ụbọchị ahụ, a na-eme ihe ịchụ aja na nkwa ịhụnanya nye nna nna ukwu ahụ, Ezemewi Ezeduga. Ndị mmadụ na-ekwupụta ọṅụ ha maka ọmarịcha ọdịbendị ha, na-agbasikwa mbọ ike iji hụ na ọ naghị ala n'iyi. Mgbe emume ahụ gachara, ọ na-eweta nnukwu obi ụtọ n'etiti obodo, nke na-ewulite ihe niile gbasara ịhụnanya, udo, na mmekọrịta nwanne na nwanne.

**Mbunuche nke ato-Ọrụ Ezemewi Ezeduga N'ala Nnewi**

**Ezemewi Ezeduga dika ikenga obodo**

Ezemewi Ezeduga bụ ihe ndị Nnewi North na-ele anya mgbe niile maka nduzi, nchebe, na ndụ zuru oke. Ọ bụ onye ha na-akpọ Chi ha n'ihi na ọ na-eme ihe niile a na-atụ anya ka chi nwee ike ime maka ndị nke ya. Ọ bụrụ na e megharịrị akụkọ ndị Nnewi North, a gaghị akwụsị ịtụnye aka na ihe ndị bara uru Ezemewi Ezeduga rụzuru n'etiti ndị nke ya. Ndị obodo ahụ kwenyere na ọ bụ Ezemewi Ezeduga nyere ha ndụ bara uru, na-echekwa ha mgbe ihe ịma aka bịara, na-ewetara ha ihe niile ha nwere taa. Ebe ọbụna Ezemewi dịka chi n'etiti ndị Nnewi, a na-asọpụrụ aha ya n'emume dị iche iche nke na-eme ka ọ bụghị naanị ka ọ bụrụ ihe na-eme ka mmụọ na-enwe ike, kama ọ bụkwa ihe na-ejikọta ndị obodo ọnụ. Ka Chineke si bụrụ onye na-enye mmadụ ndụ, ọbụ out ahụ ka Ezemewi si bụrụ onye mepụtara ọnọdụ ndụ nke ndị Nnewi. Akụkọ ndị e dere banyere ya na-akọwa na ọ bụghị naanị na ọ bụ onye nchịkwa n'oge ochie, kama ọ bụkwa onye na-akwa ụzọ maka ihe ịga nke ọma n'obodo ahụ.

Ndị Nnewi kwenyere na ọbụ onye na-eweta ndụ ọma. Ana-ekwu naọbụ Ezemewi Ezeduga mere ka ala ha ghọọ ebe bara ụba, Anthony Ajuluchukwu (ajụjụ ọnụ, 2024). Ọna-enyehanri site n'ala dị ịrịba ama, na mmiri na-agaghị ata ata nke na-eme ka ndụ ha dịrị n'ụzọ kachasị mma. Ọzọkwa, ọ bụ onye mere ka obodo ahụ ghọọ ebe ejiji a na-ahụ anya n'etiti obodo ndị gbara ha gburugburu n'oge ochie. Dị ka chi, ọ bụghị naanị na ọ na-echekwa obodo ahụ, kama ọ na-eme ka ọ bụrụ ebe a na-ahụ ọganihu na obi ụtọ. N'echiche nke ndị Nnewi, Ezemewi Ezeduga na-achị ala Nnewi. Ọ bụghị naanị na ọ na-enye ha ihe ha chọrọ maka ndụ kwa ụbọchị, kama ọ bụ onye ha na-arịọ arịrịọ mgbe ihe siri ike bịara n'ụwa ha. Ndị mmadụ na- eche na n'eziokwu ọ bụ Ezemewi Ezeduga nyere ndị Nnewi ikike inwe uche zuru oke na ntụkwasị obi na ndụ ha. Ka Chineke si ziga ndị mmụọ ozi ka ha na-echebe mmadụ, a na-ekwu na ọ bụ otu Ezemewi Ezeduga si na-eziga ike ya iji chekwaba ndị obodo Nnewi. Ndị Nnewi kwenyere na Ezemewi Ezeduga na-emeka Nnewi bụrụ obodo ana-ahụ ezi mmekọrịta na udo n'etiti ndị mmadụ. Ka Chineke si zụlite mmadụ n'ụzọ mgbagwoju anya, ọbụ out ahụ ka Ezemewi Ezeduga si guzobe omume na echiche nke jikọrọ obodo Nnewi ọnụ.

N'ụbọchị pụrụ iche, ndị Nnewi na-eme emume iji kwanyere Ezemewi ugwu. N'emume ndị a, ana-etinye aka n'ihe dị iche iche dị ka ịchụaja, ịgbaegwu, ịgọ ọfọ, ịma mbem na ime ekpere nke na-egosi na ndị mmadụ kwenyere n'ike na ịdị nsọ nke Ezemewi Ezeduga. Onye ọbụla na-abịa n'emume na-eji ezi obi abịa inye chi ya ekele nke na-akpọkọta ụmụnne na ndị ikwu na ibe ọnụ. Ezemewi Ezeduga, n'ezie, abụghị naanị nna nna ukwu, kama ọ bụ chi na-ahụ maka ihe niile metụtara ndụ na ọdịnihu ndịobodo Nnewi. Ọ bụ yamereha ji akpọyachiha – onye ha nwere ntụkwasị obi zuru oke na ya, ma n'oge gara aga ma n'oge taa.

**Omume ngosi nsọpụrụ na ekele**

Na nkọwa Joy Udeaja (ajụjụ ọnụ, 2024), Ezemewi Ezeduga bụ onye ana-asọpụrụ nke ukwuu n'akụkọ ihe mere eme na ọdịbendị ndị Nnewi. Ọ bụ onye ana-akpọ nna nna ukwu n'ihi na ọ bụ ya guzobere ntọala nke obodo ahụ na ndụ ndị bi n'ime ya. Ndị Nnewi na-ekwupụta ekele na nsọpụrụ nye Ezemewi n'ihi na ọ bụghị naanị na ọ bụ onye ndu, kama ọ bụkwa onye na- egosipụta ezigbo agwa na arụmọrụ dị elu nke nna nna ukwu kwesịrị inwe. N'ụdị

nna nna nke ezinaụlọ ukwu, Ezemewi Ezeduga bụ onye nyere ndị Nnewi nduzi n'oge mgbagwoju anya. A na-akọwa ya dị ka mmụọ amamihe, na mmụọ na-eche echiche oge niile a na-enwe ezi mkpebi maka ọdịmma obodo ya. Akụkọ na-akọwa na n'oge ochie, ọbụ Ezemewi Ezeduga mere ka obodo Nnewi nwee ugwu na nsọpụrụ n'ebe ndị obodo gbara ha gburugburu nọ. O guzobere obodo ahụ dịka ebe a na-ahụ ọdịbendị Igbo na njirimara nke ndị Igbo.

Ezemewi Ezeduga bụkwa onye jikọtara Nnewi ọnụ. Dị ka nna nna ukwu, ọ na-eme ka obi aṅụrị dịrị n'etiti ụmụ ya, na-agwa ha okwu amamihe na ozi dị mkpa nke mere ka ha nwee udo na ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ọ na-ewebata mmụọ nke ịdị n'otu, na-eme ka ndị Nnewi newe nghọta na ịdị n'out bụ isi ihega-eme ka obodo ha na-aga n'ihu. Akụkọ Ezemewi Ezeduga na-egosikwa na ọbụ onye ọchịchị amamihe. Ọbụ onye ghọtara mkpa ọ dị inye ụmụ ya akụnụba na ihe ndị ọzọ e ji eni ndụ. Ọ bụkwa ya mere o ji mee atụmatụ iji hụ na ala Nnewi bụ ebe bara ụba n'ụzọ akụnụba na ihe nnweta dị iche iche nke e ji e nyere ndụ aka. N'ụzọ omenaala, Ezemewi Ezeduga bụkwa onye guzobere ụkpụrụ nke ana-agbaso taa. O nyere ndị Nnewi ezigbo ntọala maka ndụ ha nakwa omenaala nke na-edobe njikọ pụrụ iche n'etiti onwe ha.

Ọzọkwa, Ezemewi Ezeduga bụ mmụọ agha nke nwere obi ike. N'oge gboo, ọ bụ Ezemewi Ezeduga gbara ọsọ agha ma chekwa ndị ya n'aka ndị iro. Akụkọ banyere agha ya na-apụta ihe na mgba ana-agba n'emume ịgba ọkịka nke ana-emetaa, ebe ndị Nnewi na-egosi nsọpụrụ ha maka obi ike na nghọta ya n'oge agha. N'oge taa, ndị Nnewi na-eme emume dị iche iche iji mee ka ncheta banyere Ezemewi dị ndụ. Emume ndị a gụnyere ịchụ aja, ịkụnzu, ịmambem na ịgba egwu nke na-eme ka onye ọbụla nwee mmụọ nke ga-ejikọ ha na nna nna ukwu ha. A na-eji ọṅụ, egwu, na ozi ekele mara mma nwee ncheta nke bụ isi ntọala nke ọdịbendị Nnewi. Ezemewi Ezeduga, n'ezie, bụ ihe atụ nke nna nna ukwu zuruoke. Ọ bụ mmụọ nduzi, mmụọ ọkachamara, mmụọ agha, na mmụọ ọkammụta nke mere ka ndị Nnewi nwee udo, akụnụba, na ọdịmma ruo taa. Ọ bụ ya mere e ji kpọrọ ya nna nna ukwu, nke ndị Nnewi na-agba mbọ iji hụ na aha ya agaghị agwụ agwụ maọbụ kwụsị ịkọ akụkọ banyere ya.

**Nchopụta/Mmechi**

Nchọcha a lebara anya n'emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga na Nnewi North. Site n'ihe nchọpụta e nwetara n'aka mmadụ iri na isii a gbara ajụjụ ọnụ, a chọpụtara na e nwere ụfọdụ ihe a na-emebu n'emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga nke adịghịzị ire n'oge ugbu a. Nchọcha a gosiri n'emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ oke emume a na-eme na Nnewi nke dị na Anambra Steeti. Emume a ka ndị Nnewi ji akwanyere Chi na nna nna ukwu ha bụ Ezemewi Ezeduga ugwu maka nchekwaba, ahụike, ọmụmụ na ụba nke ọna-enyeha. Site na emume aka ndị Nnewi ji enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe site ihe nkiri, egwuregwu, oriri na ọṅụṅụ na-ejupụta na ya. A chọpụtara na emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga bụ emume a na-eme na mbido afọ n'ọnwa abụọ n'ime afọ obụla nke eji echeta ike Ezemewi Ezeduga kpara n'ala Nnewi. A na-esite n'emume a kpọkọta ụmụ Nnewi ọnụ ma ndị nọ n'ụlọ ma ndị nọ n' ama. Onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ịgba ọkịka Ezemewi bụ kwa emume e iji e kelee. Ezemewi maka ntuzi aka n'afo obụla. Nkwenye ndị Nnewi bụ n'ụdị mmadu, ya na ndị na- eso ụzọ ya. Ekweludikeonwu (ndị bụ ndị Abubor taa) bụ ndị lere ha ọbịa mbụ.

Nchọpụta gosiri na mbge ochie, tupu ndị Nnewi eme njem ma ọ bụ nye nwa ha nwanyị na di, ha ga e bu ụzọ were ọjị jee gwa Ezemewi maka alum dị na nwunye ahụ. A chọpụtakwara ọrụ dị iche iche Ezemewi Ezeduga na-arụrụ ndị Nnewi North e gụnyere: Ibụchi, ọrụ, nchekwaba na ime ka ndụ zuo oke. Ọ bụ onye a na-akpọ nna nna ukwu n' Ezemewi, Ezeduga n'ihi na ọ bụ ya guzobere ntọala nke obodo ahụ na ndụ ndị bi n'ime ya.

N'ikpeazụ, otu ihe bụ ọpụrụiche n'emume a bụ na e nwereusoro doro anya e si eme emume ịgba ọkịka Ezemewi Ezeduga, mama ugbu a, e nweela mgbanwe pụtara ihe e webatara n'emume a. N'ihi ya, ndị a gbara ajụjụ ọnụ mere ka a maata na enwere ụfọdụ ihe dị iche iche butere mgbanwe ndị ahụ. Ihe ụfọdụ a chọpụtara butere mgbanwe a bụ akparamagwa ndị Nnewi ụfọdụ nye emume a, ọbịbịa ụka Kraịst n'ihi na okpukperechi ụka anabataghị omenaala na emume dị etu a.Emume a anaghịzị adi ire etu e si eme ya n' oge ochie maka na ndị oge ugbu a jịzie Usoro emume emegide mmadụ ibe ya. Ọ bụghị utoaala e ji bido ka e ji eme ya n'oge ugbu a.

**NRỤAKA**


Ajogwu, P.U. (2022). *Omenaala Igbo: Ọdịdị nka na uru ịgọọjị.*ArụmarụB.A.,Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Akaeze, C. M, Aboh, S. C. & Ugwuoke, P. E. (2021).*Ntọala ọdịnịịgha Igbo ọlọrọọhụrụ.* Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Anozie, C. C. (2003). *Igbo kwenu (Akụkọ na omenaala Igbo)*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Anozie, C. C. (2003). Akụkọ na Omenaala ndị Igbo. Enugu: Computer Edge Publishers.

Creswell, J. W. (2020). Research Design: Qualitative and Quantitative Approaches. Thousand Oaks: Sage Publications.

Ezesinachi J. N., Ihedigbo, R. E. & Okey Agbo, J. N. (2023). Ọnọdụ egwu n'izipụta nkamma n'eti mmmọnwụ Oji ọnụ n'Okpuje Asadu. *Icheke Journal of the Faculty of Humanities*, 21 (2), 1–13

Ifeka R. O. (2019). *Ngwa ofufe ndị Igbo*: Nzipụta ya n'agụmagụ ụfọdụ ndị ahọọrọ. Preor cjah, 4 (2), 62–88.

Malinowski, B. (1954). The structure and Function of Primitive Society. Charleston: Biblio Bazaar.

Nworgu, B. G. (1991). Educational Research: Basic Issues & Methodology. Ibadan: Wisdom Publishers.

Ocho, L. O. (1998). *Philosophical and Sociological Foundation of Education*. Enugu: Macmillan.

Okoro, M. N. (2022). Reappraising the Nsukka Ọmabe festival through the lens of ethno-aesthetics, therapy and healing. *Journal of Theological Studies*, 78(1), 65–101.

Onukwube, A. (2013). *Omenala*: *Eziokwu na Ndụ Ndị Igbo*. Description of how cultural beliefs are transmitted orally and documented, highlighting the irrelevance in contemporary life. Enugu: Nolix Educational Publication.

Ugwuoke, P. E. (2023). Nyocha Nka Odimara Echichi Onyeishi N' ovoko-Akpụrụokwe site N' atụtụ nabamuru. Odezuruigbo: *An international Journal of Igbo, African and Asian Studies*,7(2). https://Nigerianjournalonline.com/index.Php/ODEZURUIGBO/Issue/View/472. ISSN:2672-4243. Print

**AJỤJỤ ỌNỤ**

Ahandịagbaraajụjụ ọnụ

| **ọnụ ọgụ** | **Aha** | **Afọ** | **Ọrụ Aka** | **EbeObibi** | **Ụbọchị** |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Agina Clifford | 65 | Ọrụ Ugbo | Ụmụdim | 12/12/2024 |
| 2. | Ajuluchukwu Anthony | 58 | Akaọrụ | Otolo | 6/12/2024 |
| 3. | Chukwuchebendu Ngozi | 73 | Ọrụ Ugbo | Uruagu | 21/12/2024 |
| 4. | Ibeneme Chinedu | 66 | Ahịa | Nnewichi | 10/12/2024 |
| 5. | Nzewi Emeka | 39 | Ọrụ oyibo | Ụmụdịim | 12/12/2024 |
| 6. | Okafor Ebele | 56 | Ahịa | Otolo | 6/12/2024 |
| 7. | Okafor Okwuchukwu | 60 | Ọrụ Ugbo | Otolo | 6/12/2024 |
| 8. | Okechukwu Ifeanyi | 71 | Ahịa | Uruagu | 21/12/2024 |
| 9. | Okeke Ifeoma | 50 | Ọrụ oyibo | Nnewichi | 10/12/2024 |
| 10. | Okoye Ifeyinwa | 61 | Ahịa | Ụmụdim | 12/12/2024 |